# NRIANYASỊ IKPÈAZỤ̀ AHỤ NA GETSEMANE

## Matiu 26:17-46; Jọn 13:1-17; I Ndi Kọrint 11:23-30

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 62 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na mgbe ọ bula unu nēri achicha nka, nāñu kwa iko ahu, unu nēkwusa ọnwu Onye-nwe-ayi rue mgbe Ọ gābia" (I Ndi Kọrint 11:26).**

**I Ngabiga Ikpèazụ̀ Ahụ**

1. Ndị náesoụzọ Jisọs naejikere banyere oriri a, Matiu 26:17-19; Mak 14:12-16; Luk 22: 7-13
2. Jisọs naekwuwapụta banyere ịrara Ya nye, Matiu 26:20-25; Mak 14:18-21; Luk 22:21-23; Jọn 13:21-30

**II Atọrọ Ntọala Nrianyasị nke Onyenweanyị**

1. Anyawara achịcha ahụ nke náenye ndụ, Matiu 26:26; Jọn 6:51; Mak 14:22; Luk 22:19; I Ndi Kọrint 11:24
2. Iko ahụ naegosi Ọbara ahụ nke ọgbụgbandụ ọhụụ, Matiu 26:27-29; Mak 14:23-25; Luk 22:20; Ndi Hibru 9:16-23; I Ndi Kọrint 11:25, 26
3. Ịdịnsọ nke ememe a mere ka ọ dị mkpà na mmadụ gaenyocha ime obi ya, I Ndi Kọrint 11:27, 28
4. "Onye nēri nāñu kwa, ọ nēri nāñu kwa ikpé nye onwe-ya," I Ndi Kọrint 11:29, 30

**III Ịsa Ụkwụ Ndị Náesoụzọ Ya**

5. "Mgbe ha risiri nri anyasi," Jisọs sara ụkwụ ndị náesoụzọ Ya, Jọn 13:1-5
6. "Ọ buru na asaghm i, Mu na gi enwegh òkè ọ bula," Jọn 13:6-11
7. "Enyewom unu ihe-nñomi," Jọn 13:12-16
8. "Ọ buru na unu matara ihe ndia, ngọzi nādiri unu ma asi na unu nēme ha," Jọn 13:17

**IV Nime Ogige**

9. Jisọs kpereekpere "Ka eme ihe I nāchọ," Matiu 26:36-42; Mak 14:32-36; Luk 22:39-42
10. "Ọsusu-Ya we ghọ ihe dika óké ọkpurukpu ọbara," Luk 22:44
11. Mmụọozi naenye Ya ike, Luk 22:43
12. "Gini mere unu nāraru ura?" bilienu nēkpe kwa ekpere, ka unu we ghara ibà n'ọnwunwa," Luk 22:46; Matiu 26:40-46; Mak 14:37-42

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ngabiga Nke Mbụ**

Ọ bụ n'Ijipt ka edoro Ngabiga nke mbụ n'abalị ahụ agaesi n'ịbụ orù nápụta Ụmụ Israel. Jehova nyere Moses ndụmọdụ nkeọma banyere otú agaesi debe ya (Ọpupu 12). Èzinaụlọ ọ bụla gaewere nwaatụrụ bụ óké nke náenweghị ntụpọ wezuga kwa ya iche site n'anụụlọ ọzọ niile site n'ụbọchị nke iri rue n'ụbọchị nke irinaanọ nke ọnwa ahụ. Nzukọ niile nke Israel ga egbu nwaatụrụ ahụ na mgbe anyasị nke ụbọchị irinaanọ. Agaefesa ọbara ahụ n'akụkụ abụọ na n'elu ụzọ. Ọbara a bụ ihe ịrịbáàmà nye mmụọozi ahụ nke náeweta ọnwụ ime ka mmụọozi nke ọnwụ ahụ rapụ ibibi èzinaụlọ ahụ site ná mbibi nke agaeme ka ọ dakwasị Ijipt. Nwaatụrụ ọ bụla egburu n'abalị ahụ zọpụtara ndụ ọbụná nke otù onye. Ndụ mmadụ ra añaa ka azọpụtaworo site na Kraist Nwaatụrụ Ngabiga anyị (I Ndi Kọrint 5:7).

Otú nke a si zueòkè n'ịbụ ụdị Kraist, na otú nnapụta a si dị ebube mere ka JEHOVA nye iwu na ụbọchị a gaabụ ụbọchị ncheta rue ebighịebi (Ọpupu 12:14). "Abali nche ka ọ buru JEHOVA ime ka ha si n'ala Ijipt: otù abali ahu bu abali nche diri JEHOVA nke umu Israel nile nwere rue ọgbọ nile ha" (Ọpupu 12:42).

**Àjà Zuruòkè**

N'ụbọchị nke iri nke ọnwa, Jisọs jere ijè ikpeazụ̀ Ya rue Jerusalem. N'ụbọchị nke irinaanọ nke ọnwa, Jisọs na ndị náesoụzọ Ya debere Ngabiga. Jisọs mezuru anyị Ngabiga site n'ọnwụ Ya. Anyị onweanyị dịka ndịòtù Kraist adịghị edebe ụbọchị ahụ mgbe esi n'Ijipt nápụta Israel, n'ihi na emewo nnapụta dị ukwuu karịa. Jisọs nyere anyị ememe nke Nrianyasị Onyenweanyị ka OnyeKraist ọ bụla wee cheta nnapụta ukwuu Jisọs nyere anyị mgbe Ọ nwụrụ ka anyị wee dị ndụ.

Ọtụtụ mgbe ka Jisọs na ndị mmehie na erikọ nri; ma na mgbe anyasị a dị nsọ, ọ bụ Ya na ndị náesoụzọ Ya zukọrọ. Otù nime iwu gbasara Ngabiga bụ na ọ dịghị onyeọbịa gaeso rie ya (Ọpupu 12:43).

**Ndị Kwesịrị Iri Ngabiga Ahụ**

Ọ bụ náánị ndị amụrụ ọzọ, ndị náebi kwa ndụ NdịKraist n'ezie bụ ndị gaeri Nri Anyasị nke Onyenweanyị. "Ma ka madu nwaputa onwe-ya, otú a ka o ri kwa nime achicha ahu, ñu kwa nime iko ahu. N'ihi na onye nēri nāñu kwa, ọ nēri nāñu kwa ikpé nye onwe-ya, ma ọ buru na ọ tulegh aru ahu" (I Ndi Kọrint 11:28, 29).

Ọtụtụ ka okwu ndịa naatụ́ n'anya, banyere ekwesịghịekwesị n'iso rie Nrianyasị Onyenweanyị. Eziokwu ahụ pụtara ìhè nkeọma. Pọl naabárá ha mbá n'ihi na ha adịghị eji nsọpụrụ náeme omume n'ụlọ Onyenweanyị, ya na n'ihi nkewa dị n'etiti ha. Ọ naechètara ha ihe dị nsọpụrụ n'iso mee ememe ahụ edoro n'ihi ncheta ọnwụ Kraist nwụrụ n'elu obe na n'ileanya ọbịbịa Ya. Ọ bụrụ na azọpụtawo anyị, anyị wee náejégharị n'ìhè, tinye kwa nime obi

anyị na anyị gaeso Onyenweanyị, mgbe ahụ anyị adịghị eri maọbụ na añụ n'ekwesịghịekwesị ihe ahụ nke náegosị ncheta Nrianyasị nke Onyenweanyị.

Chineke naachọ ka anyị jiri nsọpụrụ baa n'iru Ya dị nsọ, wee mata kwa na anyị naeso náeri ihe ahụ iji cheta ọnwụ Onyenweanyị. Nime oge niile dị nrò n'oge ịjéozi nke Jisọs Kraist, nke kachasị nrò, náagbaghị agụgọ, bụ mgbe O kpereekpere n'óké mwute n'Ogige Getsemane, "Ọ buru na ọ gēkwe me, ka iko a gabigam." Ọ bụ iko ahụhụ; ọ bụ iko ọnwụ. Ya mere mgbe anyị naezukọ na tebụl Onyenweanyị iso mee ememe nke manya na achịcha ahụ, nke náezipụta arụ na ọbara Jisọs, obi anyị kwesịrị ịdị n'ebe Ọ nọ, bụrụ kwa ihe eweliri rue Eluigwe n'ekpere nke iji obi chụọàjà na nke inye ghachibiga Ya ndụ anyị niile ókè.

**Iheatụ nke Arụ na Ọbara Kraist**

Anyị ekwereghị na achịcha na manya ahụ naagbanwe ghọọ ezi arụ na ọbara Jisọs mgbe agọziri ha. Mgbe ekpekwasịrị iheatụ a niile ekpere, ha adịghị agbanwe ghọọ ọbara na arụ nke Jisọs, dịka ụfọdụ naeche. Ma ihe ha bụụrụ anyị dị ukwuu dịka iheatụ ahụ Jisọs kpekwasịrị ekpere n'abalị Nrianyasị ahụ. Ọ bụrụ na anyị atụlee arụ nke Onyenweanyị n'ụzọ ziriezi, anyị pụrụ ilekwasị Chineke anya inye anyị ọgwụgwọ ọrịa nime Ọbara ahụ. Ọ bụrụ na anyị nọ n'ọrịa, ọ bụrụ kwa na ihemgbu dakwasịrị anyị ọ bụrụ na anaanwa anyị rii nne, ka anyị tụlee arụ Onyenweanyị -- mata kwa na Ọ nwụrụ ka anyị wee dị ndụ-- anyị gaanata kwa ike nke Chineke n'ihi ihe niile ọ bụla nke dị anyị mkpà.

Ọ bụ ihe megidere Okwu Chineke iji mmiri n'ọnọdụ manya. Anyị kwesịrị iji mmiri greep (grape) nke náereghị uré. Kraist na ndi náesoụzọ Ya ji "ihe a si n'osisi vine" (Matiu 26:29; Mak 14:25; Luk 22:18). Ọ dịghị ebe ọ bụla n'Okwu Chineke anyị ga ahụ na ọ bụ mmiri ka Jisọs ji mgbe O doro Nrianyasị nke Onyenweanyị. Chineke chọrọ ka anyị náeme ihe dịka Okwu ahụ si dị.

**Ememe nke Ịsa Ụkwụ**

Mgbe emesịrị ememe mbụ nke Nrianyasị Onyenweanyị, Jisọs wụsara uwe Ya, wee chịrị ákwà eji ehicha arụ kee n'ukwu Ya. O wee tinye mmiri n'ihe eji asa arụ wee malite ịsa ụkwụ ndị náesoụzọ Ya. Egosịrị ya nkeọma n'okwu nke Jisọs kwuru n'Onweya na ịsa ụkwụ nke ndị náesoụzọ Ya so n'ihe dị mkpà n'ememe dị icheiche nke NdịKraist naeme. Pita gwara Kraist, "Igagh asa ukwum ma-ọli rue mgbe ebigh-ebi" (Jọn 13:8). Nzaghachi Kraist zuruòkè nye ya: "Ọ buru na asaghm i, Mu na gi enwegh òkè ọ bula." Mgbe Jisọs sasịrị ụkwụ ndị náesoụzọ Ya, wee nọdụ kwa ala ọzọ, Ọ si, "Ùnu mara ihe M'meworo unu?" O wee nye ha ndụmọdụ gbasara ịdị náeme ememe a.

Jisọs sịrị: "Ya mere, ọ buru na Mu onwem bú Onye-nwe-unu na Onye-ozizi-unu, sara ukwu-unu, unu onwe-unu nēji kwa ugwọ isarita ukwu ibe-unu. N'ihi na enyewom unu ihe-nñomi, ka unu onwe-unu we nēme kwa dika Mu onwem mere unu." Ọ dị ọtụtụ ihengọpụ ụmụmmadụ naenye iji rapụ ime Okwu a; otù nime ihengọpụ nke pụtara ìhè karịsịa bụ na ọ bụ omen'ala ha n'oge ahụ ịsa ụkwụ tupu abaa n'ụlọ, n'ihi na ha naeyi akpụkpọụkwụ sandal. Ma ha emeworị nke ahụ bụ́ omen'ala, n'ezie, n'ihi na ha abaworị n'ụlọ, rie kwa ihe.

Ịsa ụkwụ bụ̀ ihe dị ukwuu karịa ịbụ náánị omen'ala. Jisọs naedebe ihe nñomi; Ọ naetinye n'aka ha ememe nke NdịKraist kwesịrị ntụkwasịobi ganaeme n'arọ niile náesote. Otù nime ihe Pọl gụrụ n'eziihe nye ndịnsọ bụ na ha "asawo ukwu ndi nsọ." Ọ bụ ohere nye anyị irubeisi ime ememe ahụ niile nke Jisọs debeworo. O kwewo anyị mkwà ọñụ ọ bụrụ na anyị erubeisi. "Ọ buru na unu matara ihe ndia, ngọzi nādiri unu ma asi na unu nēme ha" (Jọn 13:17). Ọtụtụ naetufu ọñụ ahụ Jisọs kweworo ná mkwà, site náemeghị ememe nke ịsa ụkwụ.

**Náánị Ya N'ekpere**

Ná agbanyeghị na abalị a bụ mgbe ikpéazụ̀ Jisọs nwere, Ya na ndị náesoụzọ Ya ịnọkọ tupu ọnwụ Ya, O wepụtara oge ịnọ náánị Ya n'ekpere. Ọ naadị mfé ikwe ka ọtụtụ ihe anyị naeme nápụ anyị mgbe iji kpee ekpere; ma ọ bụ ekpere naenye anyị ike iji nágide ọnwụnwa na iji mepụtara Chineke ihe. Adịghịike nke Pita tụrụ Jisọs n'anya, O wee tie, "Ùnu di otú a nēnwegh ike isom che nche otù oge hour?" "Nēchenu nche, nēkpe-kwa-nu ekpere, ka unu we ghara ibà n'ọnwunwa." Pita na ararụ ụra mgbe o kwesịrị ichenche. N'ihi nke a mgbe ọnwụnwa bịara, o nweghị ike nnagide. Ọ dapụrụ wee gọnarị Onyenweya. Jisọs nọgidesịrị ike n'ekpere n'óké mwute. Anyị naagụ, "Ewe me ka Ọ hu mọ-ozi nke si n'elu-igwe bia, nēnye Ya ike. Ma ebe ọ nēgbu Ya ngbu n'obi ri nne O kpe ekpere si-ike karia: ọsusọ-Ya we ghọ ọkpurukpu ọbara nāda n'ala" (Luk 22:43, 44). Site ná mmeri O nwetara na Getsemane, O nwetara ike imezu (ịlụpụta) nnapụta ahụ dị ebube karịa, n'Obe nke Kalvarị.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị ka ekwere ná mkwà maka irubeisi n'idebe ememe nke ịsa ụkwụ?
2. Gịnị bụ̀ ihengọpụ mmadụ naenye ọtụtụ mgbe n'ihi edebeghị ememe a, òlee kwa otú ị gaesi zaa ya?
3. Gịnị bụ̀ "mgbanweghaṛị" (Nke achịcha na manya ahụ naagbanwe wee ghọọ ezi arụ na ọbara Jisọs? Ì kwere na nke a naemeeme?
4. Gịnị ka iri na ịñụ Nrianyasị Onyenweanyị n'ekwesịghịekwesị pụtara?
5. Ndị mmehie hà kwesịrị iso rie Nrianyasị Onyenweanyị?

6. Òlee mgbe emere Ngabiga mbụ?
7. Gịnị ka achịcha na manya nke Nrianyasị Onyenweanyị nọchịrị anya ya?
8. Gịnị mere Pita ji gbanwee uche ya banyere ikwe ka Jisọs saa ụkwụ ya?
9. Gịnị mere anyị ji náesoro n'iri nrianyasị Onyenweanyị?
10. Mgbe emesịrị ememe Ngabiga ahụ, ogè ra añaa gabigara tupu Judas arara Kraist nye?
11. Gịnị bụ ịdị mkpà nke ekpere ahụ Jisọs kpere n'Ogige ahụ?
12. Gịnị ka Pita, Jemes na Jọn naeme mgbe Jisọs na ekpeekpere n'Ogige?